# NRARAARAARA JISỌS NYE NA IKPÉ AMAỤGHA

## Matiu 26:47-68; 27:1, 2, 11-26

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 63 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Achiri ya n'ihe-ike, ma ya onwe-ya wedara onwe-ya n'ala, we ghara isaghe ọnu-ya; dika aturu nke anākpuru ije n'ogbugbu-ya, na dika nne-aturu nke dara ogbi n'iru ndi nākpacha ya aji; e, ọ digh-asaghe ọnu-ya" (Aisaia 53:7).**

**I Njide Ejidere Jisọs N'Oge Ọchị chị rị**

1. Óké igwe mmadụ ndị chịrị mmaagha na osisi, ka ezigara ijide Jisọs, Matiu 26:47
2. Judas ji isutụọnụ rara Jisọs nye, Matiu 26:48-50
3. Pita mịpụtara mmaagha ya wee bipụ ntị Malkọs, Matiu 26:51-56; Jọn 18:10

**II Ikpé Etiti Abalị na nke Ụtụtụ N'iru Nnọkọ Ikpé Ndị Ju**

1. Ikpé mbụ ekpere Jisọs n'iru Kaiafas bụ n'abalị, Matiu 26:57-68
2. Ikpé nke abụọ ekpere Jisọs n'iru Kaiafas bụ na chiọbụbọ, Matiu 27:1; Mak 15:1; Luk 22:66-71

**III Ikpé Atọ Ekpere N'iru Ndị Isiikpé nke Ndị Rom**

3. "Ahughm ihe kwesiri ahuhu-nmehie n'aru nwoke a" bu mkpebi ikpé mbụ Pailat wepụtara, Matiu 27:1, 2, 11-14; Luk 23:1-5
4. Herod chọpụtara na ọ dịghị ihe kwesịrị ọnwụ Jisọs meworo, Luk 23:6-11, 15
5. Mgbe akpọtara Jisọs n'iru Pailat nke ugbò abụọ, ọ chọrọ ụzọ ọ gaesi rapụ Ya, Matiu 27:15-23; Luk 23:13-20; Jọn 19:12
6. Mkpọtụ nke igwè mmadụ ahụ dị ike karịa, Matiu 27:24-26

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Àtụ̀mààtụ̀ Ahụ**

Ụbọchị abụọ tupu oriri Ngabiga, ndịisi nchụàjà na ndịodeakwụkwọ na ndịokenye ha zukọrọ n'obíeze nke Kaiafas, bú onye isinchụàjà, ịtụpụta àtụ̀mààtụ̀ otú ha gaesi gbue Jisọs wee ghara kwa ịkpali igwè mmadụ. Ọ bụ mgbe náadịghị anya nke a mesịri ka Judas na ndị isinchụàjà kwurịtaraokwu wee kwere iji orú ego ọlaọcha na iri rara Kraist nye ọbụná dịka Zekaraia buworo ya n'amụma: "M'we si ha, Ọ buru na ọ di nma n'anya-unu, nyenum ugwọ-ọlum, ma ọ digh, gharanu. Ha we tùa ugwọ-ọlum, bú orú ego ọla-ọcha na iri" (Zekaraia 11:12). Site na mgbe ahụ gaa n'iru, Judas naechéré ohere ya. N'abalị Ngabiga ahụ náánị Jisọs na mmadụ iri na abụọ ahụ nọ. Nke a bụ ohere Judas nwere. Jisọs agwawo yarị na ọ bụ ya bụ onye gaarara Onyenwe ya nye, ma nke ahụ akwụsịghị ya. Dịka onyendú igwémmadụ ahụ ndị ji iheagha nke ndị isinchụàjà nyeworo ya, Judas sịrị, "Ekele, Rabai," wee sutu Jisọs ọnụ.

**Ikpé Nke Mbụ Ahụ**

Ọ bụ ezie na ọ ka bụ abalị, ma ndị odeakwụkwọ na ndịokenye zukọtara iji kpebie otú agaesi mee ka Jisọs nwụọ. Ndịa, n'ezie zuru ọnụogụgụ kansụl nke nnọkọikpé maọbụ Sanhedrin, nke bú ụlọikpé ukwuu nke ndị Ju. Ọ bụ ihe náemegide iwu ime ka nnọkọikpé ahụ zukọọ n'abalị, ma ebe a ka ha nọ, ịnọdụ kpé Nwoke ahụ ikpé bú Onye ha gbaworo ìzù megide. N'ihi na obi ha jọrọnjọ megide Jisọs ezuwo ime ka ha ghara ịbụ ndị náekpe Ya ikpé. Ọ fọdụrụ ntakịrị ka ọ bụrụ ihe niile nnọkọikpé ahụ mere iji kpee Jisọs ikpé bụrụ ihe megidere usoro omen'ala niile nke ha kwesịrị ijigide.

Ha jèghariri ịchọ ndị amaụgha bú ndị ha gaesi n'ọnụ ha boo Jisọs ebubo n'iru ụlọikpé, ma ọ dị ike ịhụta mmadụ abụọ ndị kwekọrịtara. "Ma emesia abua biara, si nwoke a siri, Apurum ikwatu ulo nsọ a nke Chineke, wu kwa ya n'ubọchi atọ" (Matiu 26:60, 61). "Ọbuná otú a àmà-ha abugh kwa otù" (Mak 14:59). Ebe ọ bụ na abụọ ndịa ekwekọghị nkeọma, àmà ha abaghị urù dịka Iwu si dị. "N'ọnu ndi-àmà abua, ma-ọbu ndi-àmà atọ, ka agēme ka ọ nwua, bú onye gānwu; agagh-eme ka ọ nwua n'ọnu otù onye-àmà" (Deuteronomi 17:6).

Jisọs nụrụ ka ndị àmàụgha ndịa naebo Ya ebubo ụgha, ma ọ dịghị mgbe O kwuru ihe ọ bụla iji nápụta Onweya. "Achiri ya n'ihe-ike, ma ya onwe-ya wedara onwe-ya n'ala, we ghara isaghe ọnu-ya; dika aturu nke anākpuru ije n'ogbugbu-ya na dika nne-aturu nke dara ogbi n'iru ndi nākpacha ya aji; e, ọ digh asaghe ọnu-ya" (Aisaia 53:7).

Iwu nke Sanhedrin gbochiri onyeòtù nnọkọikpé ịlụ ọlụ onyeebubo. Ma ọ bụ mkpịsịaka ebubo ka onyeisi ha bú onye isinchụàjà, ji kwue sị "Ewerem Chineke di ndu gba Gi iyi, ka I gwa ayi ma Gi onwe-gi bù Kraist ahu, Ọkpara Chineke" (Matiu 26:63). Ebe esi otú a tinye Kraist n'iyi, O mebiri ịgbánkịtị ahụ wee kwueokwu zaa sị, "Gi onwe-gi kwuru." Ọ̀zịzá Jisọs dịka Mak si dee ya bụ "Mu onwem bu Ya." Ọ bụ ihe megidere iwu iji àmà mmadụ gbara n'onweya maa ya ikpé. Site n'iji iyi mee ka Jisọs zaa ọ̀zịzá a; ha naamanye Ya ka Ọ gbaa àmà, ka ha we maa Ya ikpé.

Ha niile kwekọtara na ikpé ikwugide Chineke mara Jisọs na O kwesịkwara ọnwụ n'ihi mkweta Ya Onweya kwetara na Ya bụ́ Kraist ahụ, Ọkpara Chineke. Apụghị ịgụ nke a na ọ bụ ikwugide Chineke ma ọ bụghị na emere ka ọ pụta ìhè na Ọ bụghị Onye ahụ bụ Mesaia ahụ. Ọ dịghị ihe ọ bụla emere iji chọpụta na okwu Ya abụghị eziokwu. Anyị naaghọta na dịka iwu ndị Ju si dị, ọbụná otù nime ndị ahụ náekpe ikpé aghaghị ikwuchitara onye ahụ anaebo ebubo; atụkwara anya dịka iwu na onyeikpé ahụ gaekwu sị na ikpé amaghị onye ahụ anaebo ebubo. Mkwekọrịta mmadụ niile kwekọrịtara na ikpé mara mmadụ n'ihe metụtara ikpé ịnwụọnwụ gosịrị na ihe ekpebiri eguzoghị n'ihi enweghị onye náekwuchitara onye ahụ anaebo ebubo. Nke a pụtara na ikpé mbụ ekpere Jisọs eguzoghị, n'ihi na (mbụ) ndiikpé niile kwekọtara na ikpé mara Ya; (nke abụọ) ọ dịghị ndịàmà abụọ kwekọtara n'otù imegide Ya; (nke atọ ) ebubo na Ọ naekwugide Chineke apụghị iguzo, n'ihi na ọ bụ ịgbaàmà Ya Onweya na Ya bụ Ọkpara Chineke, na ọ dịghị kwa iheàmà ewepụtara igosi na Ọ bụghị Onye ahụ etere mmanụ.

**Ikpé Nke Abụọ**

Ọ bụ ihe dị n'iwu na tupu amaa onye ọ bụla ikpé ọnwụ n'okwu niile gbasara ọnwụ, agaenwe nnọkọikpé ugbò abụọ. Agaekpè ikpé nke abụọ ahụ mgbe otù ụbọchị zuruezu gasịrị site na mgbe ekpesịrị nke mbụ. Ihe ha mere ka o yie imezu iwu a bụ ichere ka chi bọọ tupu ikpé nke abụọ. Ọ dịghị ndiàmà enyochara, ụlọikpé mebiri iwu ọzọ site n'ime ka Jisọs gbaa àmà megide Onweya. Ọ dịghị onye ọ bụla n'ime ndị ikpé ahụ nke kwuchitaara Ya ọnụ Ya. Mkpebi ikpé nke mmadụ niile kwekọtara na ikpé mara Ya eguzoghị dịka iwu chọrọ, n'ihi na ọ dịghị onye kwuchitaara Ya ọnụ. Kama ịrapụ Ya, amara Jisọs ikpé ọnwụ n'ihi na ha kpebiri na ikpé ikwutọ Chineke mara Ya.

Asị na Ndị Sanhedrin (ụlọikpé ukwu ndị Ju) nwere ike igbu Ya dịka ha si kpebie n'ikpè, náenweghị obiabụọ, ha gaejiworị nkume tụgbue Ya ngwangwa. Ọchịchị nke ndị Rom rapụrụ Ụlọikpé niile nke ndị Ju ịhazi ihe gbasara obibi ha na òfùfè ha niile, ma mmebiiwu ọ bụla nke náemetụta ndụ na ọnwụ ka arapụrụ n'aka onyeisi ikpé nke ndị Rom. Ụlọikpé ndị Ju ekpebiwo ikpé wee maa kwa ikpé, bụ́ nke ọ naekwesịghị ime, maọbụ imezu ihe ahụ ha kpere n'ikpé. Ebe ike ndị sanhedrin ruru n'ikpé a bụ nááni ibo ebubo n'iru onyeisi ikpé nke ndị Rom.

**Etinyere Ya Na Nche**

Mgbe Jisọs nọ n'aka ndi Sanhedrin, ekwesịrị imeso Ya n'ụzọ kwesịrị nwadiala: kama nke a, ha mesoro Ya n'ụzọ dị ihere -- abụrụ Ya ọnụmmiri, ti kwa Ya aka. Nke a abụghị nááni na ụlọikpé ahụ dara n'ọlụ dịrị ya ịlụ dịka iwu si chọọ, kama ọ bụ kwa nwedan'ala nke ukwuu nye ụlọikpé ahụ dịkarịsịrị elu ná mba ndị Ju. Aisaia buru amụma banyere ụdị omume a: "Azum ka m'nyere ndi-oti-ihe, ntim abua ka m'nyere ndi nēkwopu afu-ọnu: ezopughm irum n'ọnọdu-ihere anētiyem n'ọbubu-ọnu" (Aisaia 50:6). Mgbe niile, anyị naekwu banyere Obe ahụ dịka ihe nlereanya nke ahụhụ Kraist hụrụ n'ihi anyị, ma Ọ hụrụ ọtụtụ ahụhụ tupu O rue n'obe. "Ma ya onwe-ya bu onye amapuworo site ná njehie nile nke ayi, onye azọpiaworo site n'ajọ omume nile nke ayi ahuhu nmehie nke udo ayi di n'aru-ya; ọ bu kwa ubiri-utari-ya ka ejiri me ka aru-ayi di ike" (Aisaia 53:5).

**N'iru Pailat**

Ebe ndị Sanhedrin kpebiworo ikpé, wee sị na ikpé mara Jisọs, na Ọ gaanwụ n'ihi na O kwutọrọ Chineke ha wee kee Ya agbụ wee kpọta Ya n'iru Pailat, bụ́ onyeisiikpè nke ndị Rom. Izuòkè nke ihe ndị Sanhedrin mere site n'ime ka ikpé ha bụrụ nááni ịkwaemò ka anaahụta nkeọma site n'ebubo Pailat boro Jisọs. Echefuru ihe niile gbasara ikpé ha kpebiworo, na ikpé ikwutọ Chineke mara Ya. Eboro Jisọs ebubo na Ọ naachọ ịkwada ọchịchị Rom. Ebubo a gaeme ka Pailat ñaa ntị, ma ebubo na O kwutọrọ Chineke agaghị eme ka ọ ñaa ntị n'ihi na ikwutọ Chineke abụghị mmebiiwu nke ndị Rom. "Ha we malite ibo Ya ebubo, si Ayi huru Onye a, ka Ọ nēduhie mba-ayị, nēgbochi ha itu ùtù nye Sisa, nāsi kwa na Ya onwe-Ya bu Kraist, buru kwa Eze" (Luk 23:2). Lee ụdị ụgha pụtara ìhè nke a bụ n'iru okwu ndịa Jisọs kwuru, "Ya mere, nyeghachinu Sisa ihe nke Sisa" (Matiu 22:21). Pailat kwuruokwu mbụ ya na ikpé amaghị Ya site n'okwu ndịa, "Ahughm ihe kwesiri ahuhu nmehie n'aru nwoke a" (Luk 23:4).

**N'iru Herod**

Mgbe agwara Pailat na Jisọs si na Galili pụta, bụ̀ nke dị n'okpuru ọchịchị Herod, Pailat zigaara ya Jisọs. N'iru Herod, "ndi-isi-nchu-àjà na ndi-ode-akwukwọ we guzo, nēbo Ya ebubo si-ike" (Luk 23:10); ma ọ dịghị ahụhụ mmehie Herod hụtara na Jisọs. Ọ bụ ezie na ekwuwara ya na ọ dịghị ikpé mara Jisọs, "Herod, ya na ndi-agha-ya, we me Ya ka Ọ buru ihe-efu, o mekwa-ra Ya ihe-ọchi, we zilaga Ya jekuru Pailat" (Luk 23:11). Nke a bụ ụgbò abụọ agụrụ Kraist n'onye ikpé náamaghị n'iru ụlọikpé ndị Rom.

**N'iru Pailat nke Ugbò Abụọ**

"Pailat we kpọrọ ndi-isi-nchu-àjà na ndi-isi na ndi-Ju, si ha, Unu kutaram nwoke a dika onye nēduhie ndi-Ju; ma le, mu onwem kpeere Ya ikpé n'iru unu, ma ahughm ihe ọ bula n'aru nwoke a kwesiri ahuhu-nmehie n'ihe nile unu ji bò Ya ebubo: é-è, ọbuná Herod ahugh: n'ihi na o zighachiri Ya nye ayi; le kwa, ọ digh ihe ọ bula kwesiri ọnwu ka O meworo. Ya mere m'gādọ Ya aka na nti, we rapu Ya" (Luk 23:13-16). Okwu ndịa ka Pailat ji kpebie ikpé nke abụọ nke "ọ digh ikpé mara Ya."

Asị na Pailat bụ nwoke nwere akparamaàgwà ndụ guzoziri nkeọma, ọ gaeguzoworị n'ihe obi ya kwetaara na ọ bụ eziokwu wee rapụ Jisọs. Kama ụ̀sụ̀ nke igwèmmadụ ahụ dị ukwuu karịa, "Pailat we kpebie ka eme ihe ha riọrọ"

(Luk 23:24). Site n’ime nke a, Pilat wee bibie ụkpụrụ ọma nke iwu ndị Rom ahụ na asị: “Ùzù efu nēnwegh isi nke igwè madu abugh ihe agēle anya mgbe ha nākpọ ka arapu onye ikpé mara, ma-ọbu ka ama onye ikpé nāmagh ikpé.”

Ma karịa náánị imebi ụkpụrụ iwu ndị Ju na iwu ndị Rom, Pailat mebiri iwu niile nke Eluigwe site n’ịjụ ikpèikpé ziriezi n’ebe Onye ahụ nọ bụ́ Onye o kwuru banyere Ya sị “Mu onwem ahugh ihe kwesiri ahuhu-nmehie nime Ya” (Jọn 18:38), na site n’inyefe Ya n’aka ndịiro Ya ka akpọgbue Ya, wee náatụ egwù iwe mmadụ karịa iwe nke Chineke. Nke a mere na ihe edere n’Akwụkwnsọ mezuru nke náasị: “Ndi-eze nke uwa nēguzo onwe-ha, Ndi-isi nāgbakọta kwa izù, imegide JEHOVA na imegide onye-Ya etere manu” (Abù Ọma 2:2).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kpọọ aha ụfọdụ ụzọ ikpé ekpere Jisọs si ghara ịbụ dịka iwu si dị.
2. Ọ̀ bụ onye bipụrụ ntị orù onye isinchụàjà?
3. Òlee amụma dị icheiche nke Testament Ochie emezuru n’ihe ọ̀mụ̀mụ̀ a?
4. Kpọọ aha ndịisi dị icheiche akpọgara Jisọs n’iru ha.
5. Òlee akụkụ mba ahụ nke dị n’okpuru ọchịchị Pailat?
6. Ha dị ụzọ Herod anọ ekwuru banyere ha na Testament Ọhụụ. Gịnị ọzọ ka ekwuru banyere Herod nke a? Òlee ebe ọchịchị ya dị?
7. Ọ̀ bụ̀ gịnị ka ndị nnọkọikpé ndị Ju mara Jisọs ikpé ya?
8. Gịnị bụ̀ ebubo niile eboro Jisọs n’iru Pailat?
9. Pailat ọ̀ hụrụ na ikpé mara Jisọs?
10. Gịnị mere Pailat ji kwere ka akpọgbue Jisọs?